# ÒZÍZÍ DỊ ICHEICHE NKE JISỌS BANYERE ỊBỤ ONYE NÁESOỤZỌ YA

## Matiu 17:14-21; Luk 9:51-62

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 115 –Nke NdỊokenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ọ buru na unu nwere okwukwe dịka nkpuru mustard, unu gāsi ugwu a, si n'ebe a gabiga n'ebe ahu; Ọ gāgabiga kwa; ihe ọ bula agagh-adi kwa nke unu nāpugh ime" (Matiu 17:20).**

**I Ọgwụgwọ nke Nwaokoro ahụ Onye Nwere Mmụọ Ogbi**

1. Otù nwa okoro nwere nsogbu n'ihi mmụọ ọjọọ nke dị nime ya, Matiu 17:14, 16; Mak 9:14-29; Luk 9:37-42
2. Ike nke ndị náesouzọ Ya ezughị ókè n'ihi enwghị okwukwe, enweghị ike ibu ọnụ, na enweghị ike ekpere. Matiu 17:16-21
3. Jisọs gwọrọ nwa okoro ahụ, Matiu 17:18

**II Ndị Sameria jụrụ Ịnara Kraist**

4. Ndị Sameria anaraghị Kraist, Luk 9:51-53; Jọn 4:9
5. Jemes na Jọn naachọ ka ebibie ha, Luk 9:54; 2 Ndi-Eze 1:10, 12
6. Jisọs bịara ịzọpụta, ọ bụghị ịla n'iyi, Luk 9:55, 56; 19:10

**III Ndị ahụ nke Náejighị Obi ha niile náeso Ya**

7. "Nwa nke mmadụ enweghị ebe ịtọgbọ isi-ya," Luk 9:57, 58; Matiu 6:25
8. Ọkpụkpọ̀òkù nke Kraist naewere ọnọdụ mbụ, Luk 9:59, 60; Matiu 6:33
9. Mgbe ọ bụla ị malitere, elela anya n'azụ, Luk 9:61, 62; 17:32; Ndi Filipai 3:13, 14

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Apụrụ Ime Ihe Niile**

Mgbe Jisọs na Pita, Jemes na Jọn si n'ugwu nnwogha ahụ rịdata, o juru ìgwè mmadụ ahụ anya nke ukwuu. N'ezie, iru Ya ka naegosi ebube nke Nna ahụ dịka iru Moses gosiri mgbe o si n'Ugwu Sainai rịdata. Mgbe Jisọs ruru ìgwè mmadụ ahụ nsọ, O wee hụ na ndị odeakwụkwọ naajụ ndị náesoụzọ Ya ajụjụ, eleghị anya banyere otú ha náenweghị ike ịgwọ nwa okoro ahụ ekuru bịakute ndị náesoụzọ Ya ka ha gwọọ ya, ha anwawo kwa ike ha ịchụpụ mmụọ ọjọọ ahụ ma ha enweghị ike. Jisọs baara mmụọ ọjọọ ahụ mba, ewe mee ka arụ nwa ahụ dị ike. "Mgbe ahu ndị nēso ụzọ-Ya biakutere Jisos iche, sị, N'ihi gịnị ka ayi onwe-ayi nāpugh ichupu ya? O we si ha, N'ihi okwukwe nta unu: N'ihi na n'ezie asim unu, ọ buru na unu nwere okwukwe dịka nkpuru mustard, unu gāsi ugwu a, si n'ebe a gabiga n'ebe ahụ; ọ gagabiga kwa; ihe ọ bula agagh-adi kwa nke unu nāpugh ime."

Mgbe dum anyị naanụ ka ana ekwupụta ya na "Apuru ime ihe nile n'ebe Chineke nọ," ma Jisọs na ekwuwa kwa ọzọ sị, "Ọ buru na unu nwere okwukwe …. Ihe ọ bula agagh-adi kwa nke unu nāpugh ime."

**Ụzọ nke Okwukwe**

Ọtụtụ mmadụ naachọ ịlụ ọlụ iji mee ihe gaatọ Chineke ezi ụtọ, ma Abraham mere ihe dị Chineke ụtọ site n'ikwere na Ya. Jisọs sịrị, "Nka bu ọlu Chineke, ka unu kwere n'Onye ahu Ya onwe-ya sitere" (Jọn 6:29). "Onye ezi omume nkem gēsite n'okwukwe di ndu" (Ndi Hibru 10:38). Otú esi enweta okwukwe bụ nnọọ ajụjụ náadị nime ọtụtụ obi. Ọ bụrụ na ọ dị ihe dị ná ndụ gị nke náegbochi, ọ bụrụ na ọ dị ihe náanọchi ụzọ nke okwukwe nke ngọzi gị pụrụ isi náerubata Onyenweanyị kwesịrị ntụkwasịobi ikpughe ya mee kwa ka ọ pụta ìhè nye nghọta gị bú ihe ahụ náegbochi okwukwe gị. Nsogbu nke ọtụtụ mmadụ nwere bụ na ha adịghị eje ijè nime ìhè ahụ nke Chineke na amụsa n'ụzọ ha. Mgbe Chineke naezite ìhè nke eziokwu ahụ nime obi ha, ha naechè na ha pụrụ ikwu onye ọ dịrị, ma ha adịghị ekwenye na ọ bụ nye ha onwe ha. Okwukwe naesite n'ịnụ Okwu Chineke, ọ bụrụ na anyị anụ nwee kwa nzube na anyị chọrọ ime Okwu ahụ.

**Ịnọgidesi ike**

Mgbe Ọ gwasịrị ndị náesoụzọ Ya na ọ bụ n'ihi ekweghịekwe ha mere ka ha ghara ịchụpụ mmụọ ọjọọ ahụ, Jisọs sịrị, "Ma otú ọ dị mọ dị otú a apụgh iputa ma ọ bugh site n'ekpere na ibu-ọnu." Nke a naeme ka anyị mara na onye nwere okwukwe adịghị ada mbà mgbe anaazaghị ekpere ya ngwangwa, kama ọ na anọgidesi ike ná ekwere dịka Abraham onye "nējigh kwa ekwegh-ekwe nwe obi abụa n'ebe nkwa Chineke di, kama ejiri okwukwe ya me ka o nwe ike, ọ nēnye kwa Chineke otuto, nēkwezu kwa na ihe O kwererị ná nkwa, Ọ puru ime kwa. N'ihi ya agu-kwa-ra ya nye ya dika ezi omume." (Ndi Rom 4:20-22)..

**Ndị  Sameria ahụ nke Nwere Obi Emebiriemebi**

N'ihi na emebiwo obi ndị Sameria, ha lelịrị ohere ha nwere iji nábata Kraist. Nwanyị ahụ onye nọ n'akụ̀kụ̀ olụ̀lụ̀ miri Jekob kwupụtara uche nke ndị Sameria, "Nna-ayi ha nile kpọrọ isi ala nye Chineke n'ugwu a." N'ezie ọ bụ n'ihi na Kraist naeje Jerusalem náakwụsịghị wee fee Chineke n'ugwu nke Sameria mere Ndị Sameria ji jụ Kraist. Ọtụtụ mmadụ taa naekwe ka akụkọ ụgha na nchépụta dị icheiche nke ndị enyi ha dị icheiche mee ka ha ghara ịbịaru ezi Oziọma ahụ nso. Ọ bụrụ na mmadụ ọ bụla nwere obi eziokwu nke ghekwara oghe nye eziokwu ahụ ọ ga amata eziokwu ahụ náagbanyeghị ihe ọjọọ nke ụmụmmadụ nwere ikwu megide eziokwu ahụ.

**Ozi nke Jisọs Ji Bị a**

Nime ịnụọkụn'obi nke ha nwere n'ebe Onyenweha nọ, Jemes na Jọn chọrọ ibibi ndị Sameria, ma Jisọs baara ha mba náekwu sị na "Nwa nke madu abiagh ila ndu madu n'iyi kama ka O we zọpụta ha." N'okwu ole na ole a ka Jisọs jị kọwaa ozi O ji bịa n'ụwa -- Nzọpụta. Ozi nke mmụọozi ahụ bụ na, "Ya onwe-ya gāzọputa ndi Nke Ya ná nmehie nile ha" (Matiu 1:21). Omume nke Kraist naemeso ndị jụworo Ya bụ omume nke ebere. Mgbe akpọgidere Ya n'obe, O kpere ekpere sị, "Nna gbaghara ha; n'ihi na ha amatagh ihe ha nēme (Luk 23:34). Jisọs naachọ ka ndị náesoụzọ Ya náahụ̀ ndịiro ha n'anya. Pita kwuru ihe banyere Kraist, "Onye mgbe anēkwutọ Ya, ọ digh ekwutọghachi ọzọ; Mgbe Ọ nāhu ahuhu, Ọ digh-aba nba" (I Pita 2:23). Pọl gbara ama sị, "Mgbe anēkwutọ ayi, ayi nāgọzi: mgbe anēsogbu ayi, ayi nānagide: mgbe anēkwulu ayi, ayi nārịọ arirịọ; emere ka ayi buru dika ihe asachapuru n'uwa, ihe ehichapuru n'ihe nile rue ugbu a" (I Ndi Kọrint 4:12, 13).

**Ịjụ Onweonye**

"Ọ bụrụ na onye ọ bụla achọ ka o som n'azu, ya ju onwe-ya, buli kwa obe-ya kwa-ubọchi, nēsokwam" (Luk 9:223). Mgbe otù nwoke sịrị Jisọs, "Onye-nwe-ayi, m'gēso Gi ebe ọ bula I nēje," ọ̀zịzá nke Jisọs bụ "Nkita-ọhia nwere ọnu ha nēdina, anu-ufe nke elu-igwe nwe-kwa-ra ebe ha nāraru ura; ma Nwa nke madu enwegh ebe itọgbọ isi-ya." Ọ̀zịzá nke a na akọwa ihe okwu nke Jisọs pụtara ná mkpirikpi, "Ya ju onwe-ya." Onye kèrè Eluigwe na ụwa "Onye ihe nile sitere n'aka Ya" - gosiri ihe àtụ̀ nke ịjụ onweonye mgbe Ọ rapụrụ Eluigwe wee ná arọrọ kwa ọnọdụ ịbụ orù wee náebi n'etiti ụmụmmadụ. "Nwa nke madu enwegh ebe itọgbọ isi-ya." Ọ naadịrị ụfọdụ mmadụ mfé iwere ihe banyere èzínaụlọ, ọlụ na ihe ndị náadị náánị nwaoge bogbue obi ha nke na ha enweghị kwa ohere iso Kraist.

Pọl dọrọ akanánti banyere ihe ntụhị nke ụwa, na ewere onye agha dịka ihe ịmáàtụ̀. "Ọ digh onye-agha ọ bula nātuhi onwe-ya n'ihe nke ibi-obi a mgbe o nēbu agha; ka o we me ihe gātọ onye dere aha ya n'akwụkwọ dịka onye agha." Ọ naewe mmadụ inyefe Chineke ndụ ya kpamkpam ka o wee bụrụ OnyeKraist. Emesịa ịnwụ anwụ kwa ụbọchị aghaghị iso -- mmadụ ịjụ onwe ya wee náaga n'iru n'ụzọ ahụ.

**Chineke Mbụ**

N'òkù ahụ nke bụ́, "Som," ka otù nwoke zaghachiri, "kwe ka m'bụrụ ụzọ ...." Nke ahụ bụ omume nke ọtụtụ mmadụ ndị náanụ ọkpụkpọòkù Chineke. Ha naasị, "ka m'buru ụzọ mee otù ihe ọzọ mgbe ahụ m'gaabịa fee Chineke." Chineke na achọ ibute ụzọ, inwe ọnọdụ mbụ nime obi anyị. Iwu Ya na Testament ochie bụ, Gi enwela chi ọzọ tinyerem" Israel mebiri iwu ahụ ọtụtụ mgbe wee fee arụsị dị icheiche. Ma otú ọ dị, ọtụtụ mmadụ naemebi iwu ahụ taa site n'ikwe ka nchụso nke ihe anaahụ̀ anya were ọnodụ mbụ ná ndụ ha. "Burunu ụzọ chọ ala-eze Ya na ezi omume."

Mgbe ị nọ n'ụzọ ahụ, lekwasị anya gị n'ihe ahụ anaagbata n'ọsọ were kwa obi gị tụkwasị n'ụgwọọlụ nke ị gaenweta n'ikpeazụ. Ọ bụrụ na ị malite ile anya n'azụ̀, náechè kwa banyere ihe niile ị rapụrụ n'azụ̀, ị ghaghị ichikwapụ site n'ụzọ ahụ ihe mgbata n'ọsọ ahụ ewee funarị gị. Ile anya n'àzụ̀ gaeme gị ka ị ghara ikwesị Alaeze Chineke. Mee dịka Pọl onye sịrị, "Mu onwem agugh onwem na ejidewom rue ugbu a: ma otù ihe ka m'nēme, ebe m'nēchezọ ihe niile dị n'azụ, nēsetipu kwa aka n'ebe ihe nile di n'iru di, anamagbakuru oké igba ọsọ ka m'we nata ihe anāgbata n'ọsọ nke ọkpukpọ di elu nke Chineke nime Kraist Jisus" (Ndi Filipai 3:13, 14).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Kọwaa ọnọdụ nke nwa okoro ntà ahụ ekwuru ihe banyere ya na Matiu 17:15
2. Gịnị kpatara ọnodụ a?
3. Gịnị mere ndị náesoụzọ Ya apụghị ịgwọ ya?
4. Gịnị ka Jisọs kwuru na anyị pụrụ ime ma ọ bụrụ na anyị nwere okwukwe?
5. Gịnị bụ omume nke Jemes na Jọn mere banyere ndị
   Sameria ahụ náanaraghị Kraist nkeọma?
6. Òlee ihe Jisọs chèrè banyere ndị Sameria ahụ?
7. Gịnị bụ ọ̀zịzá nke Jisọs nye nwoke ahụ onye sịrị, "M'gēso
8. Gi ebe ọ bụla I nēje"?
9. Gịnị ka Jisọs naekwu mgbe Ọ sịrị, "Rapu ndi nwuru anwu ka ha lie ndi nke ha ndi nwuru anwu"?
10. Kọwazie omume mmadụ atọ ndị ekwuru ihe banyere ha na Luk 9:57-62.